# AKPARAMAGWA AHA ỤFỌDỤ: NKỌWA MPỤTARA NA NZIPỤTA HA

**Onyinye Constance Amamgbo**
*Ngalaba Amụmamụ Igbo, Afrịka na Nzikọrịtaozi*
*Mahadum Nnamdị Azikiwe, Ọka*
*Phone no: 08033086688*
*E-mail: oc.amamgbo@unizik.edu.ng*

## Ụmịedemede

Nchọcha a bụ maka akparamagwa aha ụfọdụ mpụtara na nzipụta ha. Aha bụ ihe e ji mara mmadụ kpọmkwem nke na o nweghị onye ya na ya ga-azọ ya azọ. Ọ bụ aha e nyere ụfọdụ ihe na-enye aka zipụta akparamagwa, ụdịdị ihe e ji ha eme maọbụ uru ha baara nye ndị nwe ha. Ihe kpalitere mmụọ nwanchọcha bụ ime ka ndị mmadụ mata na ụfọdụ n'ime ihe ha nwegasịrị dị na gburu gburu tumadi ndị enweghi ndu e nwere n'ala Igbo nwere ike ịkpa agwa di ka aha ọ na-aza siri dị. Ọzọ, ụfọdụ nwere ike ikpa agwa site n'ụdịdị ya maọbụ uru ọ baara ndị nwe ya, ebe ụfọdụ na-apụta ihe site mpụtara ha na-ezipụta n'ụzọ dị iche iche. Ọzọ, ụfọdụ bụ aha nsinangwaa, ụfọdụ bụ nkebiokwu keaha, ụfọdụ bụ aha nsinahịrịokwu, ụfọdụ bụ aha nkọwa mebere ha, ụfọdụ bụ aha nkọwa, ụfọdụ bụ aha ucheụda maọbụ nsinụda mebere ha, dg. Nwanchọcha ahụbeghị onye merela nchọcha iji chọpụta akparamagwa aha ụfọdụ ma chọpụta mpụtara na nzipụta ha gasị n'otu ụzọ maọbụ n'ụzọ ọzọ. E jikwa atụtụ mmebe mkpụrụokwu nke Kiparsky na Mohanan (1982) tụpụtara rụọ ọrụ ebe ọ dị ukwu maka na ọtụtụ aha ihe ndị a bụ site na mkpụrụasụsụ mebere mkpụrụokwu ka e si mebagasịa aha ha. Ebe nwanchọcha siri weta ngwa nchọcha ya bụ n'akwụkwọ ọgụgụ dị iche iche, ajụjụ ọnụ ọ gbara ndị gụrụ asụsụ Igbo nke ọma. Ihe nwanchọcha bu n'obi bụ ịchọpụtagasị akparamagwa aha ihe ndị ahu, ụdịdị ha, ihe e ji ha eme maobụkwanụ uru ha baara ndị nwe ya. Ebumnoobi nwanchọcha ọzọ bụ ime ka anya ụmụafọ Igbo meghee site n'ịmata na e nwere ike iji aha ihe ndị a chọpụta ọrụ ha na-aru kwa mgbe. Nwanchọcha chọpụtara na e nwere ike ịmata aha ihe ndị a site n'ụdịdị ha maọbụ nyochaa ya site na akparamagwa ha gasị. Ọ chọpụtara na aha ihe ụfọdụ n'ala Igbo gbasoro usoro atụtuụ njieme, atụtụ gburu gburuna mmebeokwu. Ọzọ, ụfọdụ n'ime ihe ndị ahụ nwetara aha ha site n'ọrụ ha n'arụ, ụfọdụ site n'ụdịdị aha ha na uru ha baara ndị nwe ya. Nwanchọcha chọpụtakwara na ụfọdụ aha ihe ndị a gbasokwara usoro ndokọokwu na usoro nghọtaokwu wee na-arụ ọrụ ya. N'ikpeazụ, nwanchọcha mejupụtara ebumnuuche ya site n'ime ka ụmụafọ Igbo mata na ihe ụfọdụ e nwere n'ala Igbo nwere ndị a choputara site akparamagwa, udịdị na uru ha baara ndị mmadụ na gburu gburu ebe ha dịgasị.

**Ọkpụkpụrụ okwu: Aha, Mputara na Nziputa**

## Aha

Okwu a bụ aha pụtara aha dị icheiche ihe dị icheiche na-aza. Ọ bụ ihe e ji mara ha nke na mgbe ọbụla a kpọrọ aha ahụ, onye ọbụla nụrụ ya amarala ihe a na-ekwu maka ya n'echeghị ya eche maọbụkwanụ jụwa ajụjụ ka a kọwaara ya.Ihe a bụ aha ihe na-azagasị nwere ka o si malite. A

bịa n'akwụkwọ nsọ ndị otu Kraịstị, ya bụ Baịbụlụ, ọ kọwara na Eke kere ụwa bụ Chineke kechara ihe niile wee kezie mmadụ n'ikpeazụ ( Gen. 1:27). Onye mbụ Chineke kere bụ nwoke aha ya bụ Adam. Ya bụ Baịbụlụ kọwakwara na Chineke kechara Adam nye ya ikike ka ọ gụọ ihe dum O kere aha. O kwukwara na Adam gụrụ ha aha n'otu n'otu. Aha ahụ Adam gụrụ ihe dum ahụ ka ha na-aza n'ụwa were ruo taa, (Gen. 2:19). Ọ bụ otu a ka aha siri malite e wee nwee aha ihe dum na-aza site n'akparamagwa ha.

N'otu aka ahụkwa, n'ime akwụkwọ nsọ Baịbụlụ, a chọpụtara na o nwere mgbe ụmụ mmadụ malitere rụwa Anyazuru Babel. Ha ji otu obi rụrụ ya na-agbago n'igwe, Chineke lere anya hụ na o nweghị ihe ga-eme ka ha kwụsị ịrụ ya. Akwụkwọ nsọ kwuru na ụwa dum n'oge ahụ na-asụ otu asụsụ, Chineke mere ka asụsụ ha ghara ịbụkwa otu ọzọ. Onye a sịrị ya weta mma, o kute mmiri, onye a sịrị ya kute mmiri, o bute bụlọọkụ (Gen. 11: 1-8). Otu a ka asụsụ dum juru ụwa taa siri bido.N'ime asụsụ dum ahụ, ihe dị icheiche na-azagasị aha dị icheiche. N'asụsụ Igbo, 'osisi' na-aza osisi, n'asụsụ Bekee, ọ na-aza 'tree', n'asụsụ Ibibio, ọ na-aza 'etoh', n'asụsụ Frenchi, ọ na-aza 'unbre', n'asụsụ Yoroba, ọ na-aza 'igi', ebe asụsụ Awụsa na-akpọ ya 'itachi', n'asụsụ Idoma, ọ na-aza 'ochi' n'asụsụ Ịgala, ọ na-aza 'oli', n'asụsụ Ikayi, ọ na-aza 'igo', n'asụsụ Tiv, ọ na-aza 'kọn', n'asụsụ Ogori, ọ na-aza 'oti', n'asụsụ Efik, ọ na-aza 'eto' dg.

N'aka nke ọzọ, e nweela ọtụtụ ndị maara ihe ekwe na-akụ nyerela nkọwa dị icheiche banyere aha. Fontaine (2007) kwuru na aha bụ nkọwa ihe e ji mara onye nke jikọtara ezi akparamagwa ya n'obodo, ọkwa na ikike ya ma tinyekwara ụdị mmadụ ya na ihe e ji atụnyere ya. Ọ gakwara n'ihu kwuo na aha bụ ihe e ji achọpụta mmadụ, anụmanụ, ebe maọbụ ihe ndị ọzọ dị icheiche. Nke a pụtara na mpụtara ọbụla dị n'aha ọbụla na-arụ ọrụ pụtara ihe n'ịkọwa 'mmadụ', n'ihi na e kwenyere na aha ọbụla e nyere onye abụghị naanị njirimara onye ka ọ na-akọwa kama na ọ na-egosipụta ụdị mmadụ onye ahụ ga-abụ.Onye ọzọ kọwara aha bụ Hallowell (2005). O kwuru na aha bụ ihe na-atapara n'ahụ mmadụ site na mgbe a mụrụ onye ahụ ruo na onye ahụ anwụọ. Ọzọ, ọ bụ eziokwu na mmadụ enweghị ikike zuru oke n'elu aha ya n'ihi na ọ bụ ndị ọzọ na-akpọ aha ahụ, onye nwe aha a na-azazi aza, mana ọ na-akọwa onye ahụ. O kwukwara na aha bụ njirimara ebe, mmadụ, na ihe ndị ọzọ.

N'ịga n'ihu, Geertz (2006) kwuru na aha na-egosi onwe maọbụ onye maọbụ ihe mmadụ bụ dịka o si metụta ndị nwe onye ahụ, ọkachasị ezinaụlọ nne na nna onye ahụ n'ihi na a na-ewe aha ahụ dịka nkwanye ugwu n'ebe onye wetara aha nọ.Dịka Simon na Schueter (1975) siri kwuo, aha pụtara mkpụrụokwu maọbụ okwu olenaole e ji mara mmadụ, ebe, ihe, ọkwa maọbụ onye ọbụla dịka njirimara ya. Nke a gosịrị na ọ bụ site n'aha ka e ji amata ihe dị icheiche Chineke kere nakwa ọnọdụ, ogogo na ọkwa ha nọgasị na ya. William (2005) hụrụ aha dịka okwu maọbụ mkpokọta okwu dị icheiche e ji amata mmadụ. Aha ahụ na-egosipụta njirimara onye ahụ a na-ekwu maka ya kpọmkwem. Ọzọ, aha abụghị naanị ndịiche mmadụ nwere n'ebe ndị ọzọ nọ ka ọ na-egosi kama na ọ na-akọwapụta ụdịdị onye na-aza aha ahụ.

N'otu aka ahụ, Ekwealọ (1996) kwuru na aha ọbụla e nyere mmadụ nwere ihe ọ na-egosipụta. Ọ kwadoro ihe Mbiti (1977) kwuru na aha ndị mba Afrịka dum nwere mpụtara dị n'ime ha. O kwukwara na ụfọdụ aha na-akọwa ụdị mmadụ onye ahụ bụ maọbụ akparamagwa ya maọbụ ụfọdụ ihe nrịba ama megasịrị na ndụ onye ahụ. N'ịkwado nke a, ọtụtụ aha na-egosi ihe mere na

ndụ mmadụ dị ka Ahamefula, aha a na-egosi na a mụnyere ya bụ nwa nwoke n'etiti ụmụnwaanyị nke ga-eme ka ama nna ya ghara ichi kama ka a zara aha ha na-aga n'ihu.Ọbaji (1982) kwuru na aha nwere ihe ọ na-egosi, a bịazie n'ebe ndị Igbo nọ, na ọ na-egosi ihe ahụ ndị mmadụ na-aghọta mgbe onye na-aza aha ahụ kpọrọ ya maọbụ mgbe ndị ọzọ kpọrọ ya aha ahụ. Aha na-enye akụkọ ntọala ndụ onye na-aza ya. McGraw (1993) nyere nkọwa nke ya na aha bụ otu mkpụrụokwu maọbụ mkpụrụokwu dị icheiche na-akọwa maka mmadụ, anụmanụ, ebe, ihe maọbụ ogogo ihe dị icheiche. Onye ọzọ nyere nkọwa maka aha bụ Ụbahukwe (1981). O kwuru na aha Afrịka ọbụla na-akọwa onye na-aza ya, na ọ na-akọwakarị maka nne na nna maọbụ ezinaụlọ onye na-aza ya bụ aha. Ọzọkwa, na ọ na-arụga aka na nkwenye obodo a mụnyere onye ahụ. Okodo (1988) kwadoro nkọwa Ụbahụkwe site n'ikwu na otu aha na-akọwakarịa maka nne na nna onye bụ *'Ogechukwukamma'*. O kwukwara na ọ bụ nwa mbụ nne na nna ya chọrọ nwa ọtụtụ afọ ka a na-agụ aha a. Ihe ọzọ Okodo kọwara banyere nke a bụ na o nwere ike bụrụ nwa nwoke nne na nna ya mụtarala ọtụtụ ụmụnwaanyị tutu a mụọ ya ka a na-agụ ya bụ aha Ogechukwukamma. Ọzokwa, Amamgbo (2011) n'akwụkwọ iduuazị ya ọ kpọrọ ***Ogechukwukamma*** kwadoro ihe Ụbahụekwe na Okodo kwuru. Russell (1952) nyere nkọwa n'ihe ọ ghọtara banyere aha mgbe o kwuru na aha ihe na-aza na ihe kọwara ya bụ aha na-abụ otu. Nke a na-akọwa na aha dị icheiche ihe na-aza na-enwe ihe a na-ahụ anya maọbụ ihe a rụgaara aka na-akọwa ya bụ aha. Nke a dabara nke ọma n'ihe atụtụ nrụgara akana-ekwu maka ya. Atụtụ a na-akọwa na aha na-enwe ihe a hụrụ anya maọbụ ihe a ga-arụ aka na ọ na-ekwu maka ya.

Frege (1952) nyere nkọwa nke ya banyere aha ma kwue na e nwere ike nwee aha mana a gaghị enwe ihe nhụrụnanya aha ahụ a na-ekwu maka ya na-arụ aka. N'uche nwanchọcha, ihe Frege na-ekwu maka ya bụ maka aha ndị ahụ bụ nhụrụnuche mana ha enweghị ihe nhụrụnanya. E nwegasịrị aha ndị enweghị ihe a na-ahụ anya a ga-asị na ọ bụ ihe ndị ahụ ka a na-ekwu maka ya. Ọmụmaatụ, ihụnanya, aṅụrị, asịrị, aghụghọ, iwe, dg.A bịa na nkọwa Russell na na nkọwa Frege, e nwere ezigbo ndịiche n'etiti ha abụọ, Russell na-ekwu na aha nwere nhụrụnanya ebe Frege na-ekwu na aha enweghị nhụrụnanya, mana e nwere ọtụtụ aha nwere nhụrụnanya a na-arụgara aka mgbe a na-ekwu maka ha. Ọ bụ ya mere Stephen Law jiri gbaghaa nkọwa Frege site n'ikwu na ọ bụrụ na a gbasoo nkọwa Frege, na o nweghị ka a ga-esi nye nkọwa aha nwere ihe nhụrụnanya a na-arụgara aka mgbe a na-ekwu maka aha ahụ.Shakespeare (2007) na nkọwa nke ya kwuru na aha ọbụla ihe na-aza abụchaghị aha ihe ahụ kpọmkwem kama na aha ihe bụ ihe ihe ahụ na-ezipụta bụ ihe ọ na-ekwu maka ya. Ọ gara n'ihu kwuo na aha ihe na-azagasị anachaghị egosipụta ihe ihe ahụ bụ maọbụ ihe ihe ahụ na-ezipụta. Ọ kwadoro nke a site n'iji okooko a bụ roozu wee nye ọmụmaatụ nkọwa ya. Ọ sịrị na aha okooko roozu bụ isi ụtọ ka ọ na-ezipụta. Nke a na-egosi na mgbe ọbụla mmadụ nụrụ isi ụtọ, uche onye ahụ ga-agbaga n'okooko roozu.Nkọwa Mbiti (1979) na nkọwa Ekwealọ (1996) tinyere Shakespeare (2007) na-akọwa otu ihe. Shakespeare na-akọwa na aha ihe na-apụta ihe site n'ihe ihe ahụ na-ezipụta. Ekwealọ kwuru na aha ọbụla e nyere mmadụ nwere ihe ọ na-egosipụta ebe Mbiti sị na aha ndị mba Afrịka dum nwere mpụtara dị n'ime ha. Ọ bụrụ na a tụlee nkọwa atọ ndị ọkammụta a nyegasịrị, ha dum gbadoro ụkwụ n'otu ebe. Bubu na Offiong (2014) kọwara na aha bụ otu ihe gbara ọkpụrụkpụ e ji ahụba mmadụ ama. Ọ bụkwa aha ka e ji gosipụta ndịiche dị n'etiti mmadụ na agbụrụ dị icheiche. Ha gara n'ihu kwuo na ịba mmadụ aha maọbụ aha e nyere mmadụ bụ otu n'ime ihe e nwere ike iji nabata mmadụ n'otu okpukperechi maọbụ nke ọzọ.

Na nchịkọta, nwanchọcha kwuru na nkọwa dum a dabara adaba, ya onwe ya wee kwuo na aha bụ ihe e jiri mara ihe maọbụ mmadụ. Ihe nke a putara bụ na aha bu ihe onye obula ma ewu na ọkụkọ nwere ike na-aza iji mata nke bụ nke.

**Nnyocha atụtụ**

Nwanchọcha tụlere atụtụ echiche ndị ọ họọrọ ga-abụ atụtụ nchọcha a. Atụtụ ndị a bụ atụtụ mmebeokwu na atụtụ njieme.

**Atụtụ mmebeokwu**

Ndị wubere atụtụ a bụ Mohanan na Kiparsky n'afọ 1982. Ha kwuru na ọdịdị mkpụrụokwu nwere etu dị iche iche e si ewube ya. Nke a bụ site n'ọdịdị mkpụrụ ụda dị iche iche. Mbah na Mbah (2014) dere na n'Igbo, ọ bụrụ na e were atụtụ a rụọ ọrụ, na e nwere ike iwepụta ọkpụrụkpụ okwu ndị a: (a) Mgbe a gbakwunyere nganiihun'isingwaa kwụbuuru onwe ya, a na-enweta mkpọaha. N' ịkwado ihe Mbah na Mbah kwuru ka nwanchọcha ji nye ọmụmaatụ a, 'tụ' bụ isingwaa, 'ụ' bụ nganiihu, e were 'ụ' gbakwunyere 'tụ' e nweta 'ụtụ' bụ mkpọaha. Ugbu a, na mkpọaha a bụ 'ụtụ' ka e si mebeta aha osisi bụ 'ụtụ'. (b) Mgbe a gbakwụnyere isingwaa n'isingwaa kwụụrụ onwe ya, a na-enweta ogwe ngwaa maọbụ ngwaa kwụụrụ onwe ya, atu: ri + ri = riri, si + ri = siri.

Atụtụ mmebeokwu na-akọwa na ụmụ irighiri okwu maọbụ mkpụrụasụsụ dị iche iche ndị e nweghị ike ikewa ekewa ọzọ, ka e ji emebe mkpụrụokwu dị iche iche. Usoro atụtụ a ji eme nkọwa bụ usoro mọfọlọji. Ndị kwenyere n'atụtụ a bụ Mohanan na Kiparsky tinyere Mbah na Mbah. Ha kwenyere na ya site n'ịkọwa na ọ bụ mkpụrụasụsụ maọbụ mọfịm ka e ji emebe mkpụrụokwu dị iche iche. Atụtụ a bara uru pụtara ihe ma doo anya nke ọma makana o mere ka a mata etu e si esi n'ụmụ irighiri okwu, nkebiokwu, nkebiahịrị maọbụ ahịrịokwu emebe mkpụrụokwu. Ọ na-egosipụta ọrụ mgbakwụnye na-arụga n'asụsụ Igbo, na ọ bụ site na mgbakwụnye e tinyere n'isingwaa ka e si enweta aha, nkọwa maọbụ ngwaa a gbaṭịrị agbaṭị.

**Atụtụ njieme**

A bịa n'atụtụ njieme, ndị ọkammụta kwuru okwu banyere ya ebughị ibu, ma ka o sila dị, Ludwig Wittgensteinn'afọ 1953, kwadoro atụtụ a site n'akwụkwọ o dere ọ kpọrọ *'Philosophical Investigations'*. N'ime akwụkwọ ahụ ka o kwuru na atụtụ a na-agbaso usoro nsirihụ were enye nkọwa okwu ọbụla. Ọ na-akọwa na echiche na nghọta okwu ọbụla nwere sitere n'ihe ndị nwe ya ji ya eme n'asụsụ ọ nọ na ya.

Paul Horwich n'akwụkwọ o dere n'afọ 1998 ọ kpọrọ *'Meaning'*,Ọ kọwara na ihe na-enye okwu ọbụla echiche ya gbadoro ụkwụ n'ihe e ji ihe ahụ eme n'asụsụ okwu ahụ dị na ya. A bịa n'echiche Wittgenstein na Horwich, e nyochaa ya nke ọma, a ga-achọpụta na ha abụọ na-ekwu otu ihe.

Horwich na Wittgenstein so na ndị kwenyesiri ike ma na-akwado atụtụ a site n'ịkọwa na okwu ọbụla nwetara echiche ya site n'ihe ndị nwe asụsụ nyere ya. Nkọwa ha na-ekwenye na okwu ọbụla enweghị echiche onwe ya. Atụtụ a bara uru n'ihi na ọ na-egosipụta na okwu dị iche iche

n'asụsụ dị iche iche nwetara echiche ha site n'etu ndị nwe asụsụ siri hụ okwu ndị ahụ. Uru atụtụ a bara mere na e ji ya arụ ọrụ rue ugbua. Atụtụ a riri mperi n'ụzọ olenaole.

**Ntụleghari ihe ndị e derela n'isiokwu**

N'ebe a, nwanchọcha ga-atụle nchọcha ndị mmadụ merela n'oge gara aga metụtara isiokwu nchọcha ya.Abarry (1991) so n'otu onye gbara mbọ mee nchọcha banyere aha, ọ chọpụtara na a bịa n'obodo Gana, na ndị na-asụ asụsụ a kpọrọ 'Akan' na-agbaso ụbọchị dị n'izu ụka were agụ aha. Ha weere ụbọchị ahụ dị ka ụbọchị mkpụrụ obi onye ahụ lọrọ ụwa. Ọ gara n'ihu gosị ọmụmaatụ, na nwa nwaanyị a mụrụ n'ụbọchị Mọnde na-aza Adwoa ebe nwa nwoke na-aza Kwadwo maọbụ Kojo nke pụtara onye a mụrụ n'ụbọchị nke abụọ n'izuụka. Nchọpụta Abarry dị mma makana o nyere aka mee ka ụwa mata na ndị Igbo anaghị eme ehie site n'etu ha si agbaso izu ahịa abalị anọ ha wee agụ aha. Aha ahịa anọ ahụ bụ Eke, Orie, Afọ na Nkwọ. Nwa nwoke a mụrụ ụbọchị Eke nwere ike zaa Okeke, Okereke, Nweke, Okekenta maọbụ Okekeukwu, ebe nwaanyị nwere ike ịza Mgbeke, Adaeke maọbụ Nwaanyịeke. Ọ bụ eziokwu na ndị Igbo anaghị agbasochazị usoro ahụ n'igụ aha ugbu a n'ihi ọbịbịa ụka na ihe ọgbaraọhụụ mana nwoke maọbụ nwaanyị a mụrụ ụbọchi ahịa Eke abụrụla Okeke maọbụ Mgbeke site n'ekere ụwa.

N'aka nke ọzọ, Sutherland (1991) kọwara na ndị Gana na-agụ aha site n'ụbọchị dị n'izuụka a mụrụ onye ahụ. Onye a mụrụ ụbọchị mbụ n'izuụka bụ ụbọchị ụka, a na-agụ ya 'Kwesis' ma ọ bụrụ nwa nwoke ebe nwa nwaanyị a mụrụ n'ụbọchị ụka na-aza 'Esis'. Onye a mụrụ n'ụbọchị anọ n'ime izuụka dị ka nwa nwoke na-azakwa 'Kwekus' ebe nwa nwaanyị a mụrụ n'ụbọchị anọ na-aza 'Ekuwas'. Ọ bụ etu a ka ọ dị n'ime ụbọchị ndị ọzọ dịgasị n'izuụka dị iche iche e nwegasị.

Zawawi (1998) mere nchọcha banyere aha wee chọpụta na ndị Kikuju na-agbado ụkwụ n'ihe merenụ n'awa olenaole garanụ tupu a mụọ nwa wee gụọ aha. N'asụsụ ndị 'Ga' ọ bụ onye kacha okenye ga-ekpe ekpere ka nwa dị ụbọchị asatọ e wee ya gụọ aha. Nchọpụta Zawawi (1998) bara uru makana, ọ na-akwado usoro dị iche iche ndị si agụ aha. Ndị Igbo ụfọdụ na-eji ụbọchi asatọ ebe ụfọdụ na-eji ụbọchị iri abụọ na asatọ e ji mụọ nwa wee na-agụ aha dị ka Nzeakọ (1979) siri kwuo n'akwụkwọ ya ọ kpọrọ *'Omenala ndị Igbo'*. Ọ bụkwa ụbọchị ahụ ka nwaanyị mụrụ nwa ji apụta n'ọmụgwọ.Agyekum (2006) na nchọcha ya banyere aha ndị Akan na-aza n'emetụta omenala ha ụfọdụ na ihe omimi dị na ya. Ebumnoobi ya bụ ịchọpụta ka aha ndị a na-aza si ezipụta omenala ndị Akan. Agyekum chọpụtara na ahaaka e jiri mara ndị Akan bụ ihe kwesịrị ka a tụleghariạ iji mata ka mmebe ya si egosipụta akụkọ mere eme na nke ka ga-eme n'ọdịnihu tinyere ka aha ndị ahụ si ezipụta nsirihụwa ha na echemeche ha. Ọ gara n'ihu kwuo na aha ndị Akan na-aza, na-arụtụ aka n'ihe omimi banyere omenala ha nke pụtara ihe nọrọkwa ka ọdịmara aha ndị ahụ o buuru pụta ụwa nke hiwekarịrị isi n'okpukpere chi ha na nkwenye.Ihe Agyekum na-akọwapụta n'ebe a bụ na aha ndị Akan ọ na-eme nchọcha banyere ya na-ezipụtakarị akụkọ mere mgbe gara aga na nke ọdịnihu, ma na-ezipụtakwa ka ha siri hụ ụwa na ihe na-eme n'ime ya nakwa nkwenye ha nke hiwere isi n'okpukperechi. Ọ chọpụtakwara n'ụmụnwaanyị ndị Akan na-agbanwekarị aha ha mgbe ọbụla ha lụrụ di nke ga-eme ka ha hapụ aha nne na nna ha nyere ha ma zawa aha di na-alụ ha. Agyekum chọpụtakwara

na aha ndị Akan na-aza nọ ka ọdịmara nke na-apụta na o nwere ọnọdụ ọ na-anọchi mere o ji dị omimi na nghọta ma wetakwa adịmiche n'etiti onye na-aza aha ahụ na aha ihe ndị ọzọ.

Egblenogbe (1977) chọpụtara na aha ọbụla ndị Ewe na-aza nwere echiche abụọ, echiche nke mbụ na-ezipụta echiche nkịtị ebe echiche nke abụọ na-ezipụta echiche miri emi. Ọ bụ echiche ahụ miri emi ka e nwere ike ịhụta dị ka ahaaka na-akọwa omenala ndị Ewe na nsirihụụwamaọbụ nsiriwereụwaha. E lekwaa anya n'ihe Egblenogbe (1977) kwuru, a ga-ahụ na ya na nke Agbedor (2005) kwuru yitere. Ihe dịtụ iche na nkọwa ha bụ na Egblenogbe gbadoro ụkwụ n'obodo Ewe wee zipụta echiche ya ebe Agbedor tụlegharịrị aha ndị Ewe na Guin-mina na-aza iji chọpụta ka ha abụọ siri yite. E wepụ nke a, nchọcha ha abụọ mere nwechara ka ha si metụta isiokwu a na-eme nchọcha na ya, n'agbanyeghị na nchọcha a gbadoro ụkwụ n'aha ihe dị iche iche na-aza, naka e si emebe ha. Ha niile na-arụtụ aka n'ihe gbasara aha iji gosi na ọ dị mkpa na ndụ mmadu.Agbedor (2005) nyochara aha ndị Ewe na Gana na-aza na aha ndị Guin-mina na Togo na-aza. Ebumnobi ya bụ ịchọpụta ka aha obodo abụọ a na-aza siri yite onwe ha na ka usoro emume ha mgbe ha na-agụ aha siri yie onwe ha. Agbedor (2005) mere ka a mara na usoro ndị Ewe na ndị Guin-mina si agụ aha gbadoro ụkwụ n'ụkpụrụ abụọ, nke mbu bụ site na ọnọdụ wetara ịgụ aha ahụ na iji aha ezipụta nsirịhụụwa ha. Nke abụọ bụ igbado ụkwụ na nkwenye onye ahụ nwere. Site na nchọcha a Agbedor mere banyere myiri dị n'etiti aha ndị Ewe na-aza na aha ndị Guin-mina na-aza, o mere ka o doo anya na aha obodo abụọ a na-ezipụtacha ọnọdụ dị iche iche ndị mmadụ nọ n'ime ya nke kparịrị mmụọ ha ịgụ maọbụ ịza aha ha na-aza ruo taa. Nke ọzọ bụ na aha obodo abụọ a na-aza na-ezipụta ka ha siri hụ ụwa maọbụ were ụwa na nkwenye ha.

N'ịga n'ihu, Bernhardt (2001) na nchọcha o mere banyere aha, chọpụtara na ndị Zulu na-akpọ okwu a bụ aha 'Iganaa' nke pụtara akara onye. Mgbe a mụrụ mmadụ na be ha, a na-eweta obere mbambaokwute, were akara na-acha ọbara ọbaramaọbụ nke na-eji oji wee dee aha onye ahụ na ya dowe ya. A na-edebegide ya bụ akara onye ahụ ruo na onye ahụ nwe ya anwụọ, a na-eweta ya gbajie ya ibe abụọ wụnye n'ili onye ahụ iji gosi na onye ahụ alachighaala be chi ya.Ihe a Bernhardt chọpụtara bụ ihe anaghị eme n'ala Igbo. Nchọpụta Bernhardt banyere aha na-akọwa na ihe nhụrụnanya na nke nhụrụnuche na-ejikọ aka arụ ọrụ. Ihe nhụrụnanya na nchọpụta Bernhardt bụ akara onye ahụ a na-ede dewe mgbe a mụrụ mmadụ mana mgbe onye ahụ nwụọrọ, a hụdewe ya na akara onye ya. Ọ bụzi echiche nhụrụnuche ka a ga-eji amata onye a na-ekwu maka ya ma a kpọọ ya aha. Ya bụ na ọ dabara nke ọma n'atụtụ ndịnancheke. Ọzọkwa, nchọpụta a dabara n'atụtụ nrụgara aka bụ nke sokwa n'atụtụ nwanchọcha ga-eji rụọ ọrụ makana mbamba okwute akara onye ahụ bụ ihe ngosi a na-arụgara aka mgbe a na-ekwu maka onye nwe aha dị na ya.Onumajuru (2007)mere nchọcha banyere etu ndị Igbo si emebe aha ha na-aza na mpụtara ha. Ebumnobi nchọcha ya bụ ịchọpụta usoro banyere maọbụ ụzọ dị iche iche ndị Igbo si emebe aha ha na-aza. N'otu aka ahụ, ọ chọpụtara na ndị Igbo nwere ụzọ dị iche iche ha si emebe aha ha na-aza n'agbanyeghị na ha niile na-ezipụta ahaaka mkpa e ji ahụba mmadụ ama. N'ikwu ihe o kwuru kpọmkwem, Onumajuru (310) kọwara na aha ọbụla ndị Igbo na-aza nwere ụzọ dị iche iche ha si emebe ya. E nwere nke e jiri mara ụmụnwoke na nke e ji mara ụmụnwaanyị. Ha niile gbakwasara ụkwụ n'usoro mmebe aha. Aha ọbụla na-agbaso iwu na usoro mmebe nke ha. E nwekwara nke n'adịghị egosị kpọmkwem na ọ bụ nwoke maọbụ nwaanyị na-aza ya kama nwoke na nwaanyị na-azakọta ya ọnụ. Aha ọbụla na-

agbaso usoro mmebe ya. Hana-emebe aha site na ijikọ mkpụrụokwu na mkpụrụokwu (mkpọaha na mkpọaha, mkpọaha na ngwaa), nkebiokwu, ahịrịokwu, njụajụjụ na mmeju. A na-ejikọta mkpụrụokwu ọbụla n'ime ha mebere aha ndị Igbo na-aza ọnụ ka ha bụrụ otu mkpụrụokwu na mkpụrụokwu e jikọrọ ọnụ ka e siri nweta ya.

Nwigwe (2001) nyochara etu ndị Igbo si enweta aha ha na-aza n'ebe o metụtara ahịa anọ ndị Igbo (Eke, Orie, Afọ, Nkwọ). Na nchọcha Nwigwe mere, ọ chọpụtara na ndị Igbo na-agụ nwa aha ahịa anọ ndị Igbo iji hụba ụbọchị a mụrụ nwa ahụ ama. N'okwu ya, aha ahịa anọ ndị Igbo (Eke, Orie, Afọ Nkwọ) nwere mmụọ nwe nke ọbụla n'ime ha. Ha na-ejere ụbọchị ahịa anọ ndị a ozi nke a na-ewere gụọ nwata a mụrụ ọhụrụ ka ọ bụrụ aha e jiri mara ya. Aha ndị ọzọ a gụrụ mmadụ nwere ọnọdụ na mpụtara ọ na-egosipụta maọbụ ezipụta n'ezinaụlọ ya nakwa n'ebe ndị ikwu na ibe ya nọ. A na-akpacha anya ahọrọ aha ndị ahụ ka e were ya na-echeta ihe mere mgbe a mụrụ onye ahụ, ebe aha ahịa a ga-enye ya bụ iji cheta ụbọchị a mụrụ ya.Otu ọkpụrụkpụ okwu pụtara ihe na nchọcha Nwigwe mere bụ na ndị Igbo ji aha ahịa ha agụ aha iji hụba ụbọchị a mụrụ onye ahụ ama. Nke a pụtara na o zuru ala Igbo ọbụla ọnụ, ebe ụfọdụ na-aza ya dị ka ahaakamkpa e jiri mara ha.Uchegbu (2010) nyochara usoro ndị Nri na Ihiala dị na steeti Anambara na-agbaso mgbe ha na-eme emume ịgụ nwa ọhụrụ aha. Ebumnobi nchọcha ya bụ ịchọpụta ka emume ịgụ nwa ọhụrụ aha na Nri na n'Ihiala siri yite onwe ha. Ka ọ tụlegharịchara obodo abụọ a, ọ chọpụtara na o nweghị ihe dị iche n'etiti ha abụọ, naanị ihe dị iche bụ na ọ nọ na Nri mee nchọpụta ka ndị Nri si eme emume ịgụ nwa ọhụrụ aha ma nọrọkwa n'Ihiala mee nchọcha ka ndị Ihiala si eme emume ịgụ nwa ọhụrụ aha. Uchegbu kọwara na ndị Ihiala na Nri na-agụ nwa ọhụrụ aha dị ka o si metụta ihe mere mgbe a dị ime ya maọbụ mgbe a na-amụ yamaka na aha na-ezipụta ọnọdụ na nkwenye mmadụ maọbụ echemeche banyere otu ihe maọbụ nke ọzọ. Ilogu (1975) nyochara aha ndị Igbo na-aza dị ka o metụtara 'ala' n'Igbo.Ebumnoobi ya bụ ịmata ihe omimi dị n'ala kpataara ndị Igbo ji hụta ya dị ka otu ụzọ ha si e ji ya emebe aha ha na-aza. Nke a ka o kwuru, ala bụ otu n'ime chi ndị Igbo kwenyere na ya kacha ha mkpa ma baara ha uru karịa ndị ọzọ n'ebe o metụtara ebimụndụ ha na nkwenye ha. Chi a bụ ya na-echekwa ha, na-edu ha ma na-ahụkwa maka ọdịmma ha.A kọwara ala dị ka nwaanyị n'ihi ọrụ ọma dị iche iche a na-ahụta n'aka ya. N'ihi na ndị Igbo kwenyere na ọ bụ n'ime alaka ndị nna nna anyị nwụrụ anwụ bi, ha kwenyekwara na mmụọ nna nna anyị na ụmụ mmụọ ndị ọzọ na-abịa anọnyere ha, bụ ndị dị ndụ ma na-enye ha ntụziaka ihe ha ga-eme iji hụ na obodo na-aga n'ihu ma hụkwa na o nweghị onye merụrụ ala. Ndị Igbo kwenyekwara na ọ bụ n'ala ka ezigbo ihe si apụta; ihe oriri niile na-enyere ndụ aka si apụta, ma bụrụkwa ebe mmadụ zọdọrọ ụkwụ.Ọ gara n'ihu kwuo na ndị Igbo na-eji ala agụ nwa aha iji sọpụrụ maọbụ kwanyere ala ugwu dị ka chi na-echekwa ha, na-edu ha, na-alụchitere ha ọgụ maọbụ na-agbara ha ọgụ ma bụrụkwa ebe ihe niile na-enyere ndụ aka si apụta. Ha hụtakwara ala dị ka ebe obibi ndị nna nna ha nwụrụ anwụ bụ ndị na-enyere ha aka mgbe ọbụla ọ gbajuuru dọrọ maọbụ ha nọ na mkpa.

N'ikpeazụ, aha dị ka nwanchọcha siri hụta ya bụ ihe e ji mara naanị mmadụ kpọmkwem nke na o nweghị onye ya na ya ga-azọ ya azọ. Ọ bụ ihe aka mkpa ma bụrụ nne gbaba ọkwụrọ nwa ya nke na-akọwa etu he dị Nke gosiri na mmadụ nwere ihe e ji mara ya, anụmanụ, nnunu n'ihe ndị ọzọgasị nwekwara njirimara nke mmadụ anaghị agbata n'ọsọ.

**NKỌWASỊ MPỤTARA AKPARAMAGWA AHA IHE ỤFỌDỤ**

Ọtụtụ n'ime ihe ndị a bụcha ihe enweghị ndụ mana site n'akparamagwa ha, etu ha dịgasị, ihe e ji ha eme, mkpọtọ ma ọ bụụda ihe ndị ahụ na-emegasị ka e nwere ike isi wepụta aha ha na-aza n'ụzọ dị iche iche.

1.**Gbamgbam** (*Zinc*) Gbamgbam bụ ihe e ji ekpuchi ụlọ ma arụsịa ya. Ọ na-echedo ụlọ ka mmiri ozuzo na anwụ ghara ịdị na-abata n'ime ụlọ mmadụ bi. Nke a gosịrị naọ bụ iwu na onyeọbụla rụrụụlọ ga-akụkwasịrị ya gbamgbam, emeghị nke a, ụlọ ahụ arụrụenweghị isi n'ihi na mmiri na anwụ ga na-enye onye ọbụla ibi n'ụlo ahu nsogbu. Nke a mere na gbamgbam bụ isi sekpụ ntụ n'ụlọọbụla a rụrụ arụ. Ihe kpatara e jiri nye aha a bu gbamgbam bụ n'ihi ụda ọ na-emepụta. Ọ bụrụna azọọya ukwu ma ọ bụ kụọ ya ihe, ihe ọ na-ada bụ gbamgbam.

2. **Ego** (*Money*) Ego bụ ihe ọ bụla ọhanaeze nabatara ma kwekọrịta na a ga na-eji ya azụ ma na-ere ahịa, ịkwụụgwọ nakwa ịgbanwerịta ihe. Ọ bụ ego ka e ji azụta ihe dị iche iche e ji enyere ndụ aka. Ego bụ isi sekpụ ntịnandụ mmadụ dị n'ihi na ewepụego, ndụ mmadụ dị enweghị isi. O nweghị ihe ọ bụla mmadụ na-eme n'ụwa ego anaghị abata na ya. Ego nwere ikeịdị n'ụdị kirikiri, akwụkwọ esere ihe dị ka isi mmadụ ma ọ bụ n'ụdị ihe dịọzọ dị iche iche dị ka ndị siri nabata ya. Ihe kpatara e jiri nye ya aha ya bụ n'ihi ihe e ji ya eme dị ka iji ya egote ihe dị iche iche mmadụ chọrọ igote ma ọbụ zụta.

3. **Mma** (*Knife/Cutlass/Matchete*) Mma bụ akarangwa e ji egbuji ma ọ bụ amabi ihe. Ọ bụ n ya dịọkpụụzụ ma ọ bụọkwa nka na-emepụta ya ma bụrụkwa igwe ka ha ji emepụta ya. Mma dịụzọ abụọna ukwu mma na obere mma.Nnukwu mma: A na-eji nnukwu mma egbu ihe buru ibu dị ka igbuji osisi, ịsụọhịa na ahịhịa, igbuisi ihe ka ọ dị obere obere, E jikwa egbu anụmanụ dị ka ewu, ehi, atụrụ maka iji ha mee anụ, ma ọ bụ anụọhịa ndị na-emekpa mmadụ ahụ. Nnukwu mma bụkwa akara ngwa e ji arụọrụ ugbo. Obere mma: Ana-eji obere mma egburisi ma ọ bụ ebe ihe pegasịrị mpe. Ọ bụkwa ya ka e ji eberisi ihe ndị e jigasị esi nri n'usekwu. A na-edebekwa ya n'usekwu n'ihi na a na-eji ya ebe ihe mgbe ọ bụla a na-esi nri. Ọ bụkwa nke a kpatara ndị Igbo ji akpọ ya mma ekwu. Ihe ndị e nwere ike iji obere mma bee gụnyere akwụkwọ nri, anụ, azụ, yọbasị, ose, mkpụrụ osisi dị iche iche dị ka oroma,ọkwụrụ ezi dg. Ihe kpatara e ji akpọ ya mma bụ n'ihi ihe e ji ya eme nke bụ imaji, imabi ma ọbụ imachasị ihe. Site na imaji ma ọ bụ imabi ka e si nweta mma.

4. **Ọgwụ**(*Drug/ Medicine*) Ọ bụ ihe e ji agwọ ọrịa nke nwete nke nwere ikeị dị na mkpụrụ ma ọ bụ mmiri. O nwekwara ikeịdị n'ụdị a na-eri eri ma ọbụ ata ata. E nwere ụzọọgwụ abụọ: ọgwụ bekee naọgwụọdịnala. Ọgwụ bekee bụ nke na adịkarị na mkpụrụ na mkpụrụ, ọ na-adịkwa n'ụdị mmiri mmiri, nke a na-agba agba na nke a ete ete.Ọgwụ Igbo bụ nke na-adịkarị n'ụdị mgbọrọgwụna mkpa akwụkwọ. Ọ na-adịkwa n'ụdị mmiri mmiri, ụdị a na-ete ete nakwa nke a na-ata ata.Ihe kpatara e ji akpọ ya ọgwụ bụ n'ihi ihe e ji ya eme.Ihe e ji ọgwụ eme bụịgwọọrịa. Ya bụ site n'okwu a bụ "agwụ" ọrịa ka e si mepụta "ọgwụ" bụ ihe e ji agwọọrịa dị iche iche.

5. **Ekwentị** (*Phone/Telephone*) Ekwentị bụ akara ngwa ndị Bekee mepụtara nke mmadụ abụọ ma ọbụ karịa anọghị onwe ha nso ji agwarịta onwe ha okwu, akparịta ụka ma ọbụ ezikọrịta ozi. Ọrụ ekwentị bụ iji ya ezikọrịta ma ọbụesisa ozi n'etiti ụmụ mmadụ n'agba nyeghị mpaghara ma ọbụakụkụụwa onye nọ.Ọ bụkwa ekwentị ka e ji akwalite ezi mmekọrịta mmadụna ibe ya

n'igwe ọnya nwaudude.Ihe mere e ji akpọ ya ekwentị bụ n'ihi akparamagwa ya nakwa ihe eji ya eme. A chọpụtara na ọ na-abụọkụwa onwe nwe ya e were ya tinye na ntị. Ya bụọ bụ site na mkpọtụọ na-eme mgbe ọ bụla a na-akpọ onwe ya nakwa na ntị a na-etinye ya kpatara a ji akpọ ya ekwentị.

6. **Mkpịsị odee** (*Biro*) Mkpịsị ode bụ ihe e ji edetụ ihe n'akwụkwọ. Ọ bụ mkpịsị ode ka ụmụ akwụkwụọnandị nkuzi ji edetụ n'akwụkwọ nke ha na-agụ n'ụlọakwụkwọ. Onye ọ bụla chiro ide ihe ma onye nkuzi ma nwata akwụkwọ ga-ejiriri mkpịsịodee. Mkpịsị odee na-enwe agwa ma ọbụụcha dị iche iche dị ka anụnuu, mmee mmee na nke ojii. Ihe kpatara e ji akpọ ya mkpịsị ode bụ n'ihi ọdịdị ya nakwa ihe e ji ya eme. Nke ahụ bụnaọ dịka mkpịsị. Mkpịsị bụ ihe ọ bụla dị otu otu toro ogologo ma dịkwa girigiri.Iji maa atụ mkpịsị aka, mkpịsị azịza ma ọbụ mkpịsị eji adụ ihe. Nke abụọ bụnaọ bụ ihe ka e ji ede, ya bụ onye ode na e ji ya ede ihe. Odee bụ onye ọ bụla na-ede ihe n'akwụkwọ.Ọ bụ n'ihi naọ dịka mkpịsị ma bụrụkwa ihe ode ji ede ihe mere e ji akpi ya mkpịsị odee.

7. **Enyo** (*Mirror*) Enyo bụ ihe nke na-egosi mmadụ ka ọ dị site n'inyonye ya ma ọbụ iledo ya anya. Enyo na-adị n'ụdị ihe na-egbuke egbuke nke bụna idebe ya n'ihu mmadụ ma ọbụ ihe o na-egosi ka ihe ahụ dị kpọmkwem.Ọ bụ naanị ihe dị n'ihu enyo nakwa ihe ndị dịna gburugburu ebe ahụ ma ọbụ gburugburu ebe enyo dị ka a ga na-ahụ n'ihu enyo. Ọ bụ mmadụ ka enyo bịaara uru n'ihi na mmadụ anaghị ahụzucha onwe ya ka ọ dị, ọ kachasị bido n'isi ruo n'obi nakwa azụ mmadụ. Ọ bụ enyo na-enye mmadụ aka ịhụzu onwe ya nke ọma.Ihe kpatara e ji akpọ ya enyo bụ n'ihi ihe e ji ya eme. Ya bụ inyonye ya anya. Ọ bụ ya kpatara e ji akpọ ya enyo.E ji ya enyopụta ihe.

8. **Uwe/ Akwa** (*Cloth*) Uwe bụ ihe mmadụ na-eyinye n'ahụ iji kpuchie ọtọ ya. Ọ bụọwụna aga ka a na-eji akwakọta uwe mmadụ ka o were dabaa etu o kwesịrị mmadụ ga-esi yie ya. Enwere uwe ma ọbụ akwa e jiri mara nwoke, nwekwaa nke e ji mara nwaanyị. Ihe kpatara e ji akpọ ya uwe bụ n'ihi na a na-ewunye ya n'ahụ, ya bụ iyinye akwa n'ahụ. Ọ bụkwa n'ihi ịwunye ya n'ahụ kpatara ụfọdụ ndịọlụndị ji akpọ ya akwa bụ n'ihi na a na-akwakọta ya ọnụ tupu awụnye ya n'ahụ.

9. **Ntụoyi** (*Air conditioner*) Ntuoyi bu igwe na-eme ka ahu juo mmadu oyi n'oge okpomọkụ. Ọ bụrụ n'osiso n'esu mmadụ, ebe a gbanyere ntụ oyi ma ọbụ gbanye ntụoyi, ntụoyi ga-eme na-agaghị ahụkwa osiso n'ahụ onye ahụ.Ntụoyi na-aka aru ọrụ ma akpọchie ụzọ ebe ọ dị nke ọma.Ihe kpatara e ji akpọ ya ntụoyi bụ n'ihi etu o si akpa agwa nke bụịtụ oyi.

10. **Ọgbatumtum** (*Motorcycle*) Ọgbatumtum bụ otu n'ime ihe e ji eme njem. Ọgbatumtum na-enwe naanị ukwu abụọ, otu n'ihu otu n'azụọgbatumtum n'eghe oghe ma na-ebukwa otu onye o bu mmadu abuo n'azu ya. Ihe kpatara e ji akpo ya ogbatumtum bu n'ihi uda o na-emeputa ma a gbanye ya. Mkpotu o na-eme ma agbanye ya na-ada tumtumtum. O bu ya kpatara e ji akpo ya ogbatumtum.

11. **Mvọisi** (*Comb*) Mvọisi bụ ihe mmadụ ji abọlite ntutu isi ya ma meeka ọdị mma ile anya. Mvọisi na-eme ka ntutu mmadụ nọrọ iche iche ghara ịdị na-atakọọnụ, n'ihi na onye hapụịbọ ntutu ya ruo ogologo oge, ntutu onye ahụ ga-atakọọnụ ma ghọọ dada. Ihe kpatara e ji akpọ ya mvọisi bu n'ihi ihe e ji ya eme nke bụịbọ ntutu isi.Ma a na-akpọ ya mvọ isi dị ka aha izugbe ya.

12. **Azịza**(*Broom*) Azịza bụ ihe e ji azacha ụlọ. Ọ bụ ihe mmadụ ji azacha ụlọ ya nakwa mbara nke na-eme ka ụlọ mmadụ dịọcha ma dịkwa ebube n'anya. Ọ bụ site na okwu a bụọzịza ka e si mepụta aha a bụ azịza.

13. **Ncheanwụ**(*Umbrella*) Ncheanwụ bụ ihe na-eche bido mmadụ ka anwụ hapụịcha ya maọbụ ka mmiri ghara ịma ya. E nwekwara ikeịkpọ ya nche mmiri, ma ihe e ji akpọkarị ya nche anwụbụ n'ihi na mgbe ndịọcha mepụtara ya jiri ya bata ala Igbo, ha na-eji ya echedo onwe site n'anwụọchịcha. Ọ bụ nke a kpatara e ji akpọkarị ya nche anwụ, ma nke a apụtaghịna onye kpọrọ nche mmiri dara ya n'ihi na ọrụ ya bụ ichedo mmadụ ma na mmiri ma na-anwụ. Ihe kpatara e ji akpọ ya ncheanwụ ma ọbụ nchemmiri bụ n'ihi ihe o na-eme ihe e ji ya eme nke bụ ichedo mmadụ site na mmiri site na mmiri ozuzu na anwụọchịcha.

14.**Okpu**(*Cap/Hat*) Okpu bụ ihe mmadụ n'ekpunye n'isi nke na-ekpute isi mmadụ nke ọma nke na agaghị n'ahụ ntutu isi onye kpu ya anya.Ọ bụ akwa ka e ji emepụta okpu nke mere na mmadụ site n'oke anwụọchịcha. E ji okpu egosi nkwanye ugwu dị ka onye chiri echichi.Ihe kpatara e ji ekpunye ya ekpunye.Ọ bụ site n'okwu a bụ kpunye ya ekpunye ka e siri mepụta aha a bụ okpu.

15. **Ikoro** (*Slit Drum*) Ikoro bụ ngwa egwu nke ndị Igbo ji agbasa ozi n'oge gboo. Ikoro na-ebu ibu nke okwuu nke na-anaghị ebugharị ya ebugharịkama a na-arụrụ ya ụlọ ebe ọ na-adị ka mmiri ghara ịdị na-ama ya. Ikoro bụ maka izasa ozi dị mkpa n'obodo dị ka mgbe oke mmadụ nwụrụ, mgbe e merụrụ ala na ozi ndịọzọ dị nnukwu mkpa bụmgbe e ji akụ ya. Ọ bụghị oge niile ka e ji akụ, e jighịkwa eme ngwa egwu dị ka ekwe ma ọbụịgba kamaọ bụ naanị maka izi ozi dị oke mkpa.Ọzọọ bụghị onye ọ bụla na-akụ ikoro, ikoro na-enwe onye na-akụ ya iche.Ihe kpatara e ji akpọ ya ikoro bụ n'ihi ụda ọ na-emepụta mgbe a na-akụ ya nke bụ tikoro tikoro.Ọ bụ nke a kpatara e ji akpọ ya ikoro.

16.**Akpụkpọụkwụ**(*Sandals/Shoe*) Akpụkpọụkwụ bụ ihe mmadụ na-eyi n'ụkwụ nke e ji echekwa ọbọọkpa mmadụ. Akpụkpọụkwụ bụ ihe mmadụ ji echekwa ọbọọkpa ya ọ kachasị mgbe ọ nọghị n'ime ụlọkaihe ghara imerụ ya ma ọbụ ka ala hapụịda ya ọkụ oge anwụ na-acha. Akpụkpọụkwụ abụghị sọ naanị ichekwaba ọbọọkpa mgbe mmadụ na-eme ngaghari kamaọ bụkwazị ngwa ejiji. Ọ bụ ya kpatara e ji kpọọ ya akpụkpọụkwụ maka na e ji ya ekpuchi ụkwụ maka mmerụ ahụ dị iche iche.

17. **Ụgbọ mmiri** (*Ship/Boat*) Ụgbọ mmiri bụ ngwa e ji eme njem n'elu mmiri. Ụgbọ mmiri na-enwe ndị obere nke anaghị erite ọtụtụ mmadụ nke ụfọdụ na-akpọụgbọ osisi ma ọbụ ma na-enwekwa nke na-ebu ibu nke ukwuu nke ndị Bekee na-arụ, nke nwere ike irite narị mmadụ. Ụdịụgbọ a anaghị ehge kama a na-arụchi ya arachi ka ụlọ.Ọ bụ ndị n'eme njem site n'ụzọ mmiri na-abanye ụgbọ. Ihe kpatara e ji akpọ ya ụgbọ bụ n'ihi naọ bụ ihe nwere ike iburu mmadụ mee njem oglologo oge n'ezughị ike. Ona-eme ka mmadụ gaaruo ebe o na-aga ọsọọsọ.Ya bụụgbọ bu ihe ọ bụla e ji eme njem nke na-adị nkọ karịa ọkpa mmadụ. Mmiri dị n'aha ya bụ n'elu mmiri ka a na-akwo ya.

18. **Nkwago / Ọkwasa** (*Table*) Okwasa bụ ihe a na-akwasa ihe dị iche iche na ya. Okwasa na-adị ka oche ma na-enwekwa ukwu anụ dị ka oche ma ihe dị iche ebe ya na oche dị bụ na emeghị okwasa maka iji ya anọ ala, kama ọ bum aka ịkwasa ihe ma ọbụịkwalite onye nọ ala

n’oche. Nke a gosịrịna okwasa na oche na-agakọọnụ n’ihi na ewepụịkwasa ihe n’elu ya, ọ na-enye aka akwalite onye nọ ala n’oche dị ka onye na-ede ihe n’akwụkwo, onye na-eri nri ma ọbụ onye na-agụ akwụkwọ. Ihe kpatara e ji akpo ya okwasa ma obụ nkwago bu n’ihi na e ji ya akwasa ihe. Ọ bụkwa ihe nkwalite nyere onye nọọdụ n’oche.

19. **Egbe** (*Gun*) Egbe bụ akarangwa nke e ji igwe akpụ ma ọbụ emepụta nke e ji eme ngwa ọgụ. E jikwa egbe achụ nta.Ọ bụ mgbọ nke a na-etinye n’ime egbe na-eme ka egbe na-akpa ike. Ya bụ na-ewepụ mkpụrụ mgbọ n’ime egbe, ọ gaghi akpanwụike. Egbe nwere ike igbu ma ọbụ merụọ mmadụ ahụ. Ihe kpatara e ji akpọ ya egbe bụ n’ihi mkpọtụọ na-emepụta ma agba ya. Mgbe a gbara egbe, o na-ada oke ụda nke na onye no oteaka site n’ebe agbara ji anụ ya. Ọ bụ ya kpara e ji akpọ ya ude asụrụna mba nụ ya na mba.

20. **Mwa nkụ** (*Axe*) Mwankụ bụ akarangwa e ji igwe emepụta. Ọ bụ ndịụzụ na-emepụta ya. E mebere nwankụ maka iji ya awari nkụ ka o wee nwee ikeịkpo ngwangwa, kwe obubu ma banwuo nsiite. E jikwa ya egbutu osisi.Ihe kpatara e ji akpo ya nwankụ bụ n’ihi ihe e ji ya eme nke bụ mwa nkụ.Ya bụ e sitere n’ịwa nkụ nweta nwa nkụ.

21. **Njụ oyi** (*Refrigerator*) Nke a bụ akarangwa na-adị n’ụlọ nke e ji echekwa erimeri dị iche iche. Ọ bụghị naanị n’ụlọ ka ọ na-adị, o nwere ikeịdị n’ahịa, ụlọ akwụkwọ ebe onye ya chọrọ ka ọ dị. Njụ oyi na-esite n’oyi ọ na-ajụ echekwa ihe dị n’ime ya, ka ọ ghara imebi emebi ruo mgbe a chọrọ. A na-etinyekwa ihe ọñụñụna njụ oyi iji chekwaa ya ma ọbụ mee ya. Ihe kpatara e ji akpọ ya njụ oyi bụ n’ihi na ọ na-ajụ oyi n’ime ya ma na-ajụkwa ihe ọ bụla e tinyere n’ime ya oyi..

22. **Mgbịrịgba** (*Bell*) Mgbịrịgba bụ ihe e jiri igwe mepụta nke n’enwe ukoro ma nwee mkpụrụ ihe n’ime ya nke mmadụ ga-anụ. A na-akpọkwa ya atanụ.A na-ejikarị mgbịrịgba echetara ndị mmadụ oge e ji eme ihe.Ya bụ e ji ya egosi oge. Mgbịrịgba na-enwe ndịburu ibu nandịi pere mpe. A na-ahukari ya n’ulo akwukwo, ulo uka, uloogwu n’ebe ndi ozo. O na-adasikwa ike ma akuo ma obu yoo ya. Ihe kpatara e ji akpo ya mgbirigba bu n’ihi uda o na-emeputa mgbe a na-aku ya nke bu gbagam-gbagam.

23. **Akwukwo** (*Book*) Akwụkwọ bụ ihe a na-edetu ihe na ya. Ọ bụ mkpịsị ode ka a na-eji edetu ihe na ya. Ụmụ akwụkwọ na-eji ya ede ma na-agụkwa ihe n’ụlọ akwụkwọ. Akwụkwọ na-adị n’ụdị ihe a na-emeghe emeghe. Ewepụụmụ akwụkwọ onye ọ bụla nwere ike iji akwụkwọ dee ihe.Ihe kpatara e ji akpọ ya akwụkwọ bụ n’ihi ọdịdị ya. Onye lee anya n’akwụkwọ, ọ ga-achọpụta na ọ kwụkọrọọnụ. Ya bụọ na-akwụkọsị ma ọbụ nọkọọnụ nke kpatara na-adọpụ otu na ya, akpọ ya otu ibe akwụkwọ nke gosịrị na ọ na-adị n’ibe n’ibe ma kwụkọkwaa ọnụ. Ọ bụ n’ihi ịkwụkọọnụ ya ka eji akpọ ya akwụkwọ.

24. **Ụgbọala** (*Car*) Ụgbọala bụ ihe na-agba n’ala ma na-eme ka njem bie nkenke ụgbọala bụụgbọ nke n’agba n’ala. Ọ na-eritekwa otutu mmadụ bido n’anọ, ise ma ọbụ karia di ka ogologo ya siri dị.Ụgbọala too ogologo nke ukwuu o nwere ike irite mmadụ iri anọ ma ọbụ karịa. Ihe kpatara e ji akpọ ya ụgbọala bụ n’ihi naọna-agba n’ala. Ya bụụgbọ nke na-agba n’ala.

25. **Ọba ji** (*Barn*) Ọba bụ ebe a na-echekwa ihe dị iche iche. E nwere ike iche ji, ego ma ọbụ akwụkwọ n’ọba. Ihe mere e ji etinye ihe n’ọba bụ ka echekwa ihe ahụ maka mmebi ruo mgbe ọ

ga-adịna mkpa. Ya bụ nri mmadụ na-eri ma buruerimeri mmadụ, nke na onye mmadụ ike na ndụ. Ihe kpatara e ji akpọ ya ọba jibụ n'ihi naọ bụ ebe a na-echekwa buru ihe buru ibu irite ihe.

## Nchịkọta

N'edemede a, nwanchọcha gbara mbọ izipụta ihe bụ aha dị ka ihe e ji mara ihe tụmadị nke e nweghị ndụ.Nwanchọcha gbara n'anwụ mkpa ọ dị iji aha e nyere ihe egosipụta akparamagwa ihe ụfọdụ dị iche iche.Akparamagwa ndị a gụnyere etu ihe ahụ si acha, ọdịdị ya, aha ihe ahụ na-aza dg. Edemede a gosịrị ugwu na nsọpụrụ ndị Igbo kwanyere aha site n'iji ya zipụta mpụtara ihe n'egbughị oge.

N'aka nke ọzọ, nwanchọcha gbara mbọ site n'ime ka ndị Igbo jiri ụbụrụna ogụgụ isi ha na-eche echiche banyere ihe ọbụla dị na gburugburu ha etu o kwesịrị n'ihi na ọ bụ ihe onye kpọrọ nkịta ya ka ọ na-aza. Site n'ihe niile ndị a nwanchọcha tụpụtara ga-eme ka ụmụ afọ Igbo chegharịa echiche ime.

## Mmechi

Nwanchọcha gbara mbọ nke ukwuu iji mejupụta ebumnoobi nchọcha a etu o kwesịrị site n'ịgba n'anwụ ihe banyere aha, mpụtara, akparamagwa na ụdịdị ya tumadị na gburugburu ebe mmadụ bigasị. Nchọcha a ga-enye aka meghee anya ndị nne na nna, ụmụakwụkwọ, ndịnkuzi, ụmụ afọ Igbo na ọhanaeze mkpa ọ dị iji aha kpọrọ ihe na ndụ ndị Igbo n'ụwa gbaa gburugburu. Mgbe nke a mere, amamihe na akpa echiche ndị Igbo ga-abawawanye karịa ka ọ dị ugbu a.

## Edensibịa


**Abarrg, A.** (1991). "The significance of names in Ghanaian drama" n'ime *Journal of Black Studies.* Vol. 22 No. 2 pg 157-167.

**Agbedor, J. (2005).**"The Similarities between naming practices among Ewe in Ghana and Guin-Mina in Togo". E wetara na University of Ghana.http://ugspace;ug.edu.gh31language/linguistics On 27July,2016.

**Agyekum (2006).**"Anthropological and Philosophical notions of Akan.Personal names". E wetara na University of Ghana http://ugspace;ug.edu.gh31 language/linguistics On 25 July, 2016.

**Amamgbo, O. C.** (2011). *Ogechukwu ka mma*. Onicha: Ben-Cons Publishers.

**Bernhardt, S**. (2001). *African names*, *reclaim your heritage*. South Africa: Struik Publisher.

**Ekwealọ, C. C.** (1996). *Omenala na ewumewu ndị Igbo*. Ọnịcha: Africana First.

**Frege, G**. (1952). "On sense and reference: Translations from philosophical writings of Gofflob Frege" Oụford: Blackwell.

**Geertz, P.** (2006). *Person, time and conduct in Bali. An essay in cultural analysis.Program cultural report series.* Yale: South East Asian Studies.

**Hallowell, A. I**. (2005). *The self and its behavioural environment in culture and eụperience.*Philadelphia: University of Pennsylvania Press.

**Ilogu, E.** (1974). *Christianity and Igbo Culture*. Ọnịcha: University Publishing Company.

**Mbiti, J. S.** (1977). *African religion and philosophy*. London: Edinal.

**McGraw, H.** (1993). *The school dictionary 3.*New York: Macmillan.

**Nwigwe, B.** (2001). "Naming and being philosophical investigation on names and objects with special reference to Igbo anthroponyms" Retrievedfromwww.naming.1phil212…//antro.com on 26 July, 2016..

**Nzeako, J. U. T**. (1979). *Omenala ndị Igbo.* Ibadan: Longman.

**Obaji, C. N.** (1982). *Language: philosophical magazine.* Ikot Ekpene: Bigard.Memory Seminary Press.

**Okodo, A. I.** (1988). "Title names of traditional rulers in Anambra State:*A sociolinguistic analysis"*. Unpublished B. A. Project, UNN..

**Onumajuru, V. C.** (2007). " A semantic and pragmatic analysis of Igbo names". Retrievedfrom www.Afrejo.net/journals/.../roll0no2art.cm On 26th July,2016.

**Simon, S**. (1975). *Webster's new encyclopedia dictionary:* London: Sacramento..

**Sutherland, E. T**. (1991). *Marriage of Anansewa*. England: Longman.

**Ubahakwe, E.** (1981). *Igbo names: Their structure and their meanings.* Ibadan: Daystar Press.

**Uchegbu** (2010)."Infancy rites among the Igbo of Nigerian". *Research Journal Studies-Issue*. Retrievedfromwww.researchjournal//aca.org/LI..%1'AS.On July,2016.

**William, B.** (2005). *The new encyclopedia Britannica,* Vol. 24 Marcropedia. U.S.A. Encyclopedia Britannica Inc.

**Zawawi, S. M**. (1998). *African muslim names: Images and identities.* Trenton: African World Press.